# ỤLỌIKWUU AHỤ NKE DỊ NA ỌZARA AHỤ

**Ọpupu 25:8; 26:1-37; 27:9-21; 40:1-38**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 70 - Nke Ndị etiti**

**AMAOKWU IBUN’ISI: “Añuririm ọñu mgbe ha nāsim ka ayi je n’ulo JEHOVA” (Abù Ọma 122:1).**

## Ndụmọdụ Niile Enyere Banyere Ụlọikwuu Ahụ

Otù akụkụ dị mkpà nke ukwuu n’Iwu ahụ nke Chineke nyere Moses mgbe ọ nọ n’eluugwu ahụ bụ ndumọdụ ahụ niile banyere owuwu ụlọ òfùfè ebe ụmụ Israel gana èfè òfùfè oge niile ha nọ n’ọzara.

Chineke dị nsọ, Ọ gaghị ezute ndị náadịghị nsọ n’ebe náadịghị nsọ. Ya mere Ọ gwara Moses ka o lezieanya nkeọma wue Ụlọikwuu ahụ dịka ntụzi aka niile Ọ gaenye ya si dị, ma mee kwa ya ihe nsọpụrụ doo kwa ya nsọ ka Chineke wee nweeike izute ha n’ebe ahụ. Ọ gwakwara Moses ihe ndị Israel na aghaghị ime iji doo onweha nsọ mgbe ha bịaruru Ụlọikwuu ahụ ifè òfùfè.

## Ahaziri Ụwa Maka Àtụ̀mààtụ̀ Nke Chineke

Ndị náekwenyeghị n’Okwu Chineke naarụụkà banyere otú ụwa na ihe niile dị nime ya si pụta; ma edewo ọtụtụ puku akwụkwọ nke náedepụta nchọpụta nke mmadụ banyere mmalite anyị. Kama ihe banyere eziokwu ahụ na ekèrè ụwa ịbụ ebe mmadụ gaebi ndụ anaahụ̀ anya bụ nnọọ ihe náadịghị óké mkpà n’iji ya tụnyere àtụ̀mààtụ̀ nzọpụta nke Chineke nke ijikere anyị maka ndụ ebighịebi.

Akụkọ niile banyere Òkìkè bụ ihe edepụtara n’isi akwụkwọ abụọ nke Baịbụl; ma mgbe anyị bịara ịmụ ihe banyere Ụlọikwuu ahụ anyị chọpụtara na ọ dị isi akwụkwọ isii nke edepụtara ndụmọdụ dị icheiche maka owuwu ya, na isii ọzọ kwa gwara anyị na otú a ka esi mee ya. Ma akwụkwọ niile nke Levitikọs kọwara usoro niile nke òfùfè na usoro nke ịchụàjà dị icheiche nke ndị nchụàjà gaachụ.

## Onyinyo Nke Àtụ̀mààtụ̀ Mgbapụta

Gịnị mere Ụlọikwuu ahụ, nke dị ka ọ bụ náání ụlọ izuike nke ndị ijè nime ọzara, ji dị óké mkpà? Ọ̀ bụ náání ụlọ chọọchị maramma nke dịrị otù mba nime ụwa? N’eziokwu é-è! Ụlọikwuu ahụ bụ ụdị nke àtụ̀mààtụ̀ mgbapụta nke Chineke. Ọ bụrụ na onye Israel ọ bụla achọọ ịbịakute Chineke ha aghaghị isite n’Ụlọikwuu ahụ, site kwa n’àjà ahụ niile dị icheiche anaachụ n’ebe ịchụàjà ahụ. N’otù aka ahụ anyị apụghị ịbịakụte Chineke n’ịdịnsọ Ya ma ọ bụghị ma anyị sitere na Jisọs. Onyeogbugbo anyị. Àtụ̀mààtụ̀ nke mgbapụta bụ ihe “sitere n’oge ịtọ ntọ-ala nke ụwa,” kama ọ bụ ihe dị omimi sie kwa ike nye ndị mmehie ịghọta. Ọ bụ kwa ihe omimi na “ọ nāgu ndi-mọ-ozi inyocha ha” (I Pita 1:12). Ya mere Chineke nyere ndị Israel onyinyo nke ihe anaahụ́anya banyere ụzọ nke ndụ ebighịebi.

Anyị kwuru na Ụlọikwuu ahụ bụ otù akụkụ nke Iwu ahụ, ma Pọl gwakwara anyị sị na “iwu ahu aghọwo onye-ozizi-ayi ikuru ayi biakute Kraist” (Ndi Galetia 3:24). Dịka anyị naeleruanya nkeọma n’onyinyo nke Ụlọikwuu ahụ anyị pụrụ ịhụ́ Jisọs na àtụ̀mààtụ̀ Ya nke apụrụ iji zọpụta anyị.

## Ndị Nsọ Nke Mgbe Ochie

O nwere ụfọdụ mmadụ n’oge ochie ndị pụrụ ịghọta ihe omimi banyere nsọpụrụ Chineke, ndị ji okwukwe kwere na Jisọs gaabịa wee wụsa Ọbara Ya n’ihi mgbaghara mmehie; ha wee bie ndụ dị nsọ. Inọk dị nsọ, n’ihi na ya na Chineke yikọrọ wee jee. Ọ dịghị onye ya na Chineke pụrụ ịyịkọ jee ma ọ bụrụ na onye ahụ adịghị nsọ. Noa bụ “onye zuru oké n’ọgbọ-ya nile,” ma izuokè naesite n’ịdịnsọ nke sitere n’Ọbara nke Jisọs. Ma Abraham kwere na Jisọs, n’ihi na Onyenweanyị n’Onweya sịrị na Abraham hụrụ “ubọchim” wee ñụrịa.

## Ịdị nsọ Nke Chineke; Ijupụta Nime Mmehie Nke Mmadụ

Ma Chineke chọrọ ime ka ọ dịrị anyị mfé ịghọta otú Ya Onweya si dị nsọ na otú mmehie anyị si dị ukwuu na ihe anyị náaghaghị ime ka anyị na Ya wee dị n’udo; ya mere O nyere ụmụ Israel Ụlọikwuu ahụ na usoro nke okpukpé ya dịka ihe náatụ̀ aka banyere àtụ̀mààtụ̀ nke nzọpụta Ya.

Chineke dọrọ Moses akanántị ọtụtụ mgbe ka o wue Ụlọikwuu ahụ náewezugaghị ihe ọ bụla n’ụdị ahụ nke egosịrị ha. Ọ dị náání otù ụzọ nke apụrụ isi zọpụta mmadụ; ma anyị aghaghị ịbụ ndị náelezianya nkeọma ka anyị wee náaga n’ụzọ nke Chineke, ma ọ bụghị otú a n’ụbọchị ikpé agaeme ka anyị baa n’ọkụ̀ alammụọ tinyere mba niile nke náechezọ Chineke. (N’iheọ̀mụ̀mụ̀ 72 anyị mụrụ ihe banyere mgbaghara mmehie dịka iheatụ̀ nke dị n’okpukpé nke Ụlọikwuu ahụ.)

## Eji Ihe Dị Óké Ọnụahị a wue

Ka anyị buru ụzọ tule ebube na ịmamma nke Ụlọikwuu ahụ. Ndị ahụ wetara ọlaedo ha na nkume dị óké ọnụahịa n’afọòfùfò rue mgbe enwetara karịa ka achọrọ, Moses wee gwa ha ka ha ghara iweta kwa ọzọ. Ha nwee ọlàedo gaezuru ha ịmachịta ime na iboosisi niile ahụ eguzobere ọtọ nke ejiri mee mgbidi ya. Okpòrò ise, ejiri ọlàedo machita, gafere ogologo ụlọ ahụ n’akụkụ ọ bụla site n’oghere ọlà niile nke ọlàedo ahụ, nke eji jikọ iboosisi niile ahụ ọnụ. Nime ya ka ihe ịdọba oriọna nke ọlàedo siri ike dị (nke ọnụahịa ya ruru ₦30,000 n’ego anyị), tebụl nke ịdọba achịcha anaeche n’iru Chineke nke ejiri ọlàedo machita, ya na ebe ịchụàjà nke ihensureọkụ̀ náesi ìsìụtọ nke

ọlàedo. Nime Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile ka enwere Igbe Ọgbụgbandụ ahụ, nke eji kwa ọlàedo machita, nke eji kwa ọkpụrụkpụ ọlàedo mee mkpuchi ya nke bụ ocheeze amara ahụ. N'akụkụ abụọ nke Igbe Ọgbụgbandụ ahụ ka enwere cherubim abụọ nke ọlàedo, naecherịta onweha iru náeleda kwa anya n'elu ocheeze amara ahụ. Ị pụrụ ịhụ́ ịmamma nke Ụlọikwuu a dị nsọ?

Enwere ọtụtụ ihe ọzọ atụkwasịrị n'ebube ya. N'elu ibo ndị ahụ guzo ọtọ amachitara ọlàedo, nke mgbidi niile ahụ ka eweere ezi ákwà ọcha nke akpanyechara ndị cherubim nke ọghọ uhie, ogho ànụ̀nụ̀, ọghọ ododo, na ọghọ ọlàedo. Ákwà mkwụba a ka eji mee mkpuchi nke elu ime ụlọ o wee wụdaa n'akụkụ niile na àzụ̀ ya rue ala. N'elu ákwà mkwụba a ka eji ajịewu kpuchie, n'elu nke a ka eji ajịebulu esijirị uhieuhie kpuchie. N'ichekwa ihe niile ahụ maka okpomọkụ maọbụ mmiri, eji ihe mkpuchi nke akpụkpọ seal kpuchie elu ya nke zopụrụ ịmamma ya n'anya ndị nọ n'èzí. Ị pụrụ ịhụ́ Jisọs na nkà? Aisaia kwuru banyere Ya; "Le ka iru-ya si buru ihe bibiri ebibi nke uku kari onye ọ bula" (Aisaia 52:14), ma "Ọ digh kwa ima-nma; ayi we hu ya, ma ọ magh nma n'ile ya anya nke ayi gēji chọsie ya ike" (Aisaia 53:2). Ụwa apụghị ịhụ́ ịmamma nke dị nime Jisọs; ma mgbe anyị bara nime Onyenzọpụta ahụ site n'inwe nzọpụta, wee ghọọ ndị èkèrè ọhụụ nime Kraist, mgbe ahụ ka anyị pụrụ ịhụ́ ụdị ịmamma ahụ bụ́ nke egosịrị site nime ebe obibi a dị nsọ nke Chineke.

Ogologo Ụlọikwuu ahụ bụ̀ ihe ra ka fit 45, obosara ya dị fit 15, ma ịdị elu ya dị fit 15. Ekewara ya ụzọ abụọ. Ebe Nsọ ahụ na Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile. Ha niile dị nsọ, ma ọ bụ náání ndị nchụ̀àjà edoworo nsọ pụrụ ịbà nime ya. (Anyị gaamụ n'iheọ̀mụ̀mụ̀ 73 otú anyị gaesi nweeike ịbànye n'Ebe Nsọ ahụ.)

**Ogige Nke Dị N'Èzì**

Enwere ogige gburugburu Ụlọikwuu ahụ, ihe ra ka fit 150 n'ogologo, obosara ya dị fit 75, nke agụkwara ịbụ otù akụkụ nke Ụlọikwuu ahụ. Ọ bụ n'ebe a ka ndị ahụ naabịa ifè òfùfè. Ebe ịchụ̀àjà nke ọlà (nke anyị gaamụ ihe banyere ya n'iheọ̀mụ̀mụ̀ 72) dị kwa nime ogige a. N'ebe a ka anaegbu ụmụanụ niile nke eji achụ ọtụtụ àjà, ma ụfọdụ nime ha ka anaesure kwa ọkụ. Enwekwara ite ọsịsammiri ọlà ebe ndị nchụ̀àjà na aghaghị ịsa aka ha na ụkwụ ha tupu ha enweike ịbànye n'Ebe Nsọ ahụ. Ezi ákwàọcha nke eji kpuchie ogige ahụ bụ̀ ihe akwụbara n'okpòrò ahụ niile nke ọlà, ma náání otù ọnụụzọ ka o nwere -- na ọgwụgwụ nke akụkụ ọwụwaanyanwụ. Ọ bụ náání otù ọnụ "ụzọ" ịbanye ná nzọpụta. Jisọs sịrị, "Mu onwem bu ọnu-uzọ ahu: ọ buru na onye ọ bula esi na Mu ba, agazọputa ya" (Jọn 10:9). (Dịka anyị naamụ ihe banyere Ụlọikwuu ahụ, ka anyị were nwayọ náarịba àmà banyere ụdị niile nke Jisọs.)

Ihe dị ka ọnwa isii ka ejiri wue Ụlọikwuu ahụ na ịchọmma ya niile. Mmadụ abụọ, Bezalel na Aholiab, ka enyere amamihe pụrụ iche site n'aka Chineke iji osisi ahụ, ọlà, ọlàedo, nkume dị óké ọnụahịa, na ịkpà ihe ọkpụkpa lụ ọlụ ñkà. Ụdị ihe ndịa dị óké ọnụahịa nke eji wue ụlọ Chineke ka anaagụkọta na emefuru ihe ra ka ₦1,500,000 n'ọnụahịa, náagụghị ndị egoro ọlụ.

**Nnọnye Nke Chineke**

Ma ihe dị n'ebe ahụ karịrị ngosi nke ọlàedo, ọlàọcha na nkume niile dị óké ọnụahịa. Ma mgbe alụsịrị ọlụ ahụ ákwà mgbochi ahụ ka akwụbara ikewapụ Ebe Nsọ kachasị Ebe Nsọ Niile n'ebe Igbe ọgbụgbandụ ahụ dị nke etinyere Iwu Iri ahụ; ebe ịchụ̀àjà nke ihe nsụreọkụ̀ náesi ísìụtọ nke ọlàedo, tebụl nke ịdọba achịcha na ihe ịdọba oriọna nke ọlàedo ka etinyeworo N'Ebe Nsọ ahụ, ma ewere ákwà mkwụba n'ọnụụzọ ya; ebe ịchụ̀àjà ọlà ahụ na ite mmiri ahụ ebe ndị nchụ̀àjà gaasa aka ha ka edoziworo maka iji lụọọlụ n'ogige nke dị n'èzi, nke eji ezi ákwà ọcha mkwụba gbaa gburugburu; ma ndị nchụ̀àjà ka edoworo nsọ maka ọlụ ha -- mgbe ahụ Mmụọ nke Chineke wee rịdata, ebube Ya jupụtakwara chọọchị ahụ nke dị nime ọzara. Emewo ihe niile n'ụdị ahụ nke Chineke gosịrị Moses n'elu ugwu ahụ, ewekwara ọbara doo ya nsọ, nke mere Nnọnyere dị nsọ nke Chineke pụrụ ịrịdata wee nọgide nime Ụlọikwuu ahụ. Ebube ahụ dị óké ukwuu na ọbụná Moses apụghị ịbà nime Ebe Nsọ ahụ.

**Igweoji Naekpuchi Ụlọikwuu Ahụ**

Igweoji ahụ nke dururị Ụmụ Israel site n'Ijipt rue Sainai nọkwasịrị ugbu a n'elu Ụlọikwuu ahụ nke ewuru n'etiti ọmụma ụlọikwuu. Oge niile nke igweoji ahụ naanọgide ụmụ Israel naanọgide kwa; mgbe ọ pụrụ, ndị Livai naeji nsọpụrụ bupụ, Ụlọikwuu ahụ, ejiri nleru anya kpuchie ihe niile ahụ eji osisi mee nke eji chọọ ya mma, ihe niile ndị ahụ ka anaebupụ dịka Chineke nyeworo na ndụmọdụ (Ọnu-ọgugu 3). Mgbe igweoji ahụ guzo kwara, ndị Israel niile gaanọdụ kwa zuruike. Mgbe esetịkwara Ụlọikwuu ahụ ọzọ n'etiti ọmụma ụlọikwuu, igweoji ahụ gaabiakwasị kwa ya wee nọgide, ehihie na abalị, rue mgbe Chineke chọrọ ka Ụmụ Israel gaa n'iru. Nime iri arọ anọ niile ahụ ha nọ nime ọzara Jehova sitere n'ụzọ dị otú a gosi Mpụtaihè Ya.

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee ebe Moses si weta àtụ̀màátụ̀ eji wue Ụlọikwuu ahụ?
2. Gịnị ka Ụlọikwuu ahụ naegosi ?
3. Òlee ụzọ Moses siri nweta ngwaọlụ niile nke eji wue Ụlọikwuu ahụ?
4. Kpọọ aha ihe niile eji wue Ụlọikwuu ahụ na ihe niile eji chọọ ya mma?
5. Gịnị dị nime ogige ahụ nke dị n'èzi? Gịnị dị n'Ebe Nsọ ahụ? Na n'Ebe Nsọ ahụ kachasị Ebe Nsọ Niile?
6. Gịnị mere eji wue Ụlọikwuu ahụ?
7. Òlee ụzọ dị icheiche anyị si mụọ ihe na apụrụ iji ya tụnyere Jisọs?